LOGO:

NDỊ ỤLỌ ỌLỤ NATIONAL ORIENTATION AGENCY A MAARA DỊKA NOA

NOA

IME NAỊJIRIA KA Ọ BỤRU MBA UKWU

# ỤZỌ IHE IRI ABỤỌ NA ATỌ (23) E JIRI GUZOBE IWU NNWERE ONWE INWETA AKỤKỌ-OZI NKE NDỊ BEKEE KPỌRỌ FREEDOM OF INFORMATION ACT (FOIA) N'AHA MKPIRISI

NDI NKWADO HA BỤ NDỊA: DEMOCRATIC GOVERNANCE FOR DEVELOPMENT (DGD) II PROJECT

INSIDE PAGE:

## FOI: IKIKERE ỊMA: NDỤ GỊ HIWERE ISI NA YA!!!

Iwu ahụ kwadoro nnwere onwe inweta akụkọ-ozi n'ala anyị nke afọ 2011 a na-akpọ (FOIA) n'aha mkpirisi Bekee gbasara onye ọbụla, ihe ọbụla na kwa akụkụ obibi ndụ kwa ụbọchị. Nnwere onwe inweta akụkọ-ozi bụ ntọ-ala nke ọchịchị pụtara ihe n'ala Naijiria. Ọ dị mkpa maka obodo anyị iga were were ma ga-enyekwa aka ime ka obibi ndụ ndị bi n'ala Naijiria tọọ atọ ma makwaa ezigbo mma. Nkea ga-eweta ọchịchị pụtara ihe na kwa ọchịchị onye ọbụla ga-ekere oke n'ime ya, ebe ndị ọchịchị, ụlọ akwụkwọ gọọmenti ya na nke ndị kwụrụ n'onwe ha dị iche iche ga-ejikọta aka ọnụ rita uru site na mmekorita ihe nke ọchịchị e jikọrọ aka ọnụ.

## KEDU KA (FOIA) GA-ESI MEE KA OBIBI NDỤ GỊ KA MMA?

- **ONYE ỌBỤLA** ma e wezugakwa ndị ụfọdi a gụpụrụ na ya pụrụ ịhụ ma gụọ ihe ọbụla edere ede dị n'ụlọ ọlụ gọọmenti ma ọ bụ nke ụlọ ọlụ ndị kwụrụ n'onwe ha bụ ndị na-eji ego ala anyị na-ejere ọhaneze ozi n'ụzọ dịgasị iche iche.
- **ONYE ỌBỤLA** ka o ruturu ịnata ozi n'ime abalị asaa banyere ihe ọbụla ọ chọrọ ịma gbasara ya.
- **ONYE ỌBỤLA** ga-erita uru ịma ihe na-emegesi n'isi-okwu dịgasị ka ahụ-ịke, ọlụ mmepe dị iche iche na-abara ọhaneze uru, ịzụta ma ọbụ nweta akụ na ngwongwo ọhaneze. Ịchịkọba mkpata na nwepu nke ọhaneze, nsonyere nke ụlọ ọlụ ndị kwụrụ n'ọnwe ha, ịkọwapụta ma mee ka ọ pụta ihe mbụ akụ na ụba onye ọlụ ọbụla nwe, wdgz.

- **ONYE ỌBỤLA** pụrụ inyochapụta ka gọọmenti si dịdebe uchu n’ebe ime ka ozi tọrọ atọ rue ọhaneze aka n’ụzọ niile nke gunyere: iwu obodo, ọlụ na ụsoro e ji enye ọlụ ngo dịgasị iche iche, ịtụ ime, ndị amụrụ ọhụụ na kwa ọlụ ndị ọzọ dị iche iche kwadoro ahụ ike ndị madụ, agụmakwụkwọ, iwu na ozi dị iche iche kwadoro ime ka ụbịam laa kpam kpam.
- **ONYE ỌBỤLA** pụziri ịma ugbua ka ego ndị eweputagasiri iji dozie ya na iji mee ka ọ dị ma ọkwanụ tinye na ihe ndị na-enyegesiri ndụ aka dị ka ụlọ-ọgwụ, ụzọ, miri, wdgz n’obodo si aga ma hụkwa na e jidere ndị kwesiri ịrụ nkea ka ha nye ngụkọ mgbe ọbụla e nwere ịrọhị.
- **OGBE IME OBODO** dịgasị iche iche pụrụ ịgbado anya ma hụ na echekwara gbururgburu ebe ha bi site na-ịma ịhe na-eme n’obodo. Nkea ga-enye aka ịhụ na ha guzogidere ọlụ ma ọbụ ọlụ ngo nke na-emetuta ọbodo ha na obibi ndụ ha n’ebe ọjọrọ njọ.
- **OGBE IME OBODO DI ICHE ICHE na NDỊ BI N’IME HA** ga-abanyenwu ma nweta ihe ha chọrọ ịma nke ha ga-eji tụlee ma kpebikwaa n’ọlụ dị iche iche a na-arụrụ ha na ego ole eji arụ nkea ọ hakwa.
- **GỌỌMENTI ya na ỌHANEZE** n’otu aka ahụ ga- na-esozi na-elebe anya ka ego a na-enye Steti dị iche iche na kwa ka e si ekesa akụ ala anyị ka e wee nwe ike ịhụ na-ekere ya ebe mmepe ga-erutu ebe ọbụla n’ala anyị bụ Naijiria n’ụzọ dị mma ma hakwa nhatanha.
- **NDỊ ỤLỌ NZUKO** ga-enwetazi akụkọ-ozi na ihe ndekota nke ha ga-eji lebera ndị ha na-anọchị anya ha ma jezuọ ozi ha ebe ọ ga-aba uru karie.
- **NDỊ OMEBE IWU NIILE** ga-enwetazi akụkọ-ozi bụ igba nke ha ga-eji mebe ezigbo iwu dị iche iche ma mekwaa ka ikike ije ọzi ha tọọ atọ ma mịta mkpụrụ karie.
- **NDỊ AHỊA** ga-enwekwuzi ike manye aka n’ihe ize ndụ dị iche iche were zụọ ahịa ha ebe ọ bụ na ha nwekwuziri nghọta ka mma gbasara ebe ha ga-etinyegasi aka ya na ihe- ịma-aka ndị dị na azụmahịa.
- **NDỊ ỌLỤ NGO** bụ ndị na-achọ ọlụ n’aka gọọmenti ga-ekpebi ịhụ n’usoro e ji enye ọlụ ndị ahụ gbagidere ụkwụ n’ụzọ kwụ ọtọ dị ka e si deputa ya n’akwụkwọ iwu na kwa atụmatụ e ji enye ọlụ ngo.
- **NDỊ ỌLỤ UBI** ga-enweta kepu kepu ka ọ ha bụ nkwado ha na-anata n’aka gọọmenti n’ebe ọ dị bụ akọrọngwa ya na kwazi ihe ndị ọzọ dịgasị iche iche e ji alụ ọlụ ubi. Ha ga-aghọta kwa ebe a na-ebujegesi ihe ndịa ya na ndị na-erita uru na ha.
- **NDỊ NA-AHAZI MKPATA NA MWEPU** ga-agbadokwuzi anya ịma ebe na kwa ihe eji weputa ego ole eweputara na kwa ego ole akpafulara kpọm kwem.
- **NDỊ NTA AKỤKỌ na NDỊ MGBASA OZI** ga-ahụ na ozi ha na-agbasara ọhaneze bụ nke bụ eziokwu ma na-ewepu omume nke ịkụ asịrị na kwa nke izu ọjọọ, na-akwadokwa nrụrịta-ụka nke ọhaneze ga-ekere oke n’ime ya.
- **NDỊ NA-AHAZI ỌKPỤRỤKPỤ EGO EWEPUTARA MAKA ỌLỤ DỊ AṄAA** ga-ama ka e si amapụtagasị ọkpụrụkpụ ego na-enye maka ime nchọpụta ndị gbasara agụmakwụkwọ ya na otu ụlọ ọlụ nchọpụta ndị ọzọ dị iche iche ya na kwa ka e si ekesa ha.

- **ỤMỤ NWANYỊ NA-AZỤ AHỊA** ga-enyobagasị anya ịma ka ego ndị okpuru ọchịchị dị iche iche ma ọ bụkwanụ nke ndị isi ahịa na-anakọta ya na ụtụ ndị ọzọ dịgasị iche iche a na anakọta ka esi eji ya na-eme ka obodo dị ọcha, na-eweta nchekwa ndụ na akụ ndị ọzọ dịgasị iche iche n'ime ahịa.
- **NDỊ NHAZI IWU OBODO** ga-enwekwuzi ụbara akụkọ-ozi  nke bụ eziokwu ha ga-eji yọchaa ma tulee ka iwu gọọmenti dị iche iche si aga nke ọma ma mezie ya ebe o kwesiri.
- **ỤMỤ-AKWỤKWỌ, NDỊ NCHỌPỤTA na NDỊ AGỤMAGỤ** pụrụ inweta ihe ndekota nke bụ igba maka iji mee nchọpụta dịgasị iche iche.
- **NDỊ ỌKACHAMARA N'OTU ỌLỤ DỊ ICHE ICHE** ga-erita elele na nkewapụta nke ọlụ dị iche iche nke sitere na nhazi nke akwụkwọ ndekota nke ọhaneze: FOIA ga-eweputagasị amụma ọhụụ nke mkpata ego were nye ndị ọkachamara bụ ndị ọ gbasara ịtụpụta iwu metutara ọhaneze, nhazi nke ihe ndekota, nnyocha nke iwu, otu na-ekpe udo, ndị isi ọlụ na-ahụ na-emere ihe iwu kwuru, ndị na-agbakọ ka esiri kpafuo ego na ndị na-akwụ ụgwọ na kwazi ndị ọka-iwu ya na ndị ozọ gasị.
- **NDỊ ALA NAỊJIRIA** pụru iguzo n'ọnọdụ nghọta nke ihe na-ememe gosiputa ikike ntuli aka ha nwekwaa ọgbụgba-ume ikere oke karia gbasara usoro nhọpụta ọkwa ọchịchị.
- **IWU DỊ ICHE ICHE MEGIDERE MPỤ NA ARỤ** ka FOIA ya na ọtu agency dị iche iche ga-enyere aka ịdị uchu n'ebe ibu agha megide mpụ na arụ dị.
- **ỌHANEZE** ga-enwe nkwuwa okwu ya na owuwe anya gbasara ka ọchịchị si erutu ha aka ma ọ bụ kwanu ọ bụrụ na ọ naghị erutu ha aka, onye kpatara nkea.